# ỌGWỤGWỌ NKE NWOKE GERASA AHỤ ONYE NWERE MMỤỌ NA-ADỊGHỊ ỌCHA

## Mak 5:1-20

### IHE ỌMỤMỤ 79 - Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ebe madu nọ nka bu ihe anāpugh ime; ma apuru ime ihe nile n'ebe Chineke nọ" (Matiu 19:26).**

**N'ofè Ọzọ nke Óké Osimiri**

Jisọs nọ nime ụgbọ mmiri n'Óké osimiri nke Galili ná-akụzi ihe. Ọtụtụ mmadụ nọ kwa n'ọnụ mmiri ahụ na aña ntị n'ilu Ya niile; ma Ọ sịrị, "ka ayi gabiga n'ofe ọzọ."

Obodo nke ndị Gerasa dị n'akụkụ ọwụwa anyanwụ nke Óké osimiri ahụ, ebe otù nwoke nke chọrọ inyeaka nke Onyenweanyị bi. Jisọs matara ihe banyere nwoke a, dịka Ọ matara ihe banyere nwanyị Sameria ahụ onye O zuteworo n'akụkụ olùlù mmiri nke Jekob, n'ihi na anyị na-agụ na "Ọ ghagh igabiga n'etiti Sameria" (Jọn 4:4). Nwanyị a onye bi na Sameria amataghị ụzọ esi efè Chineke òfùfè. O nwere ụdị nke okpukpé, ma mgbe Jisọs gwara ya okwu ọ ghọtara na ezi mmụọ nke òfùfè na-esite n'obi. O nwere amamikpé nke mmehie ya niile wee rịọ banyere mmiri nke ndụ ahụ nke na-abịa site ná nzọpụta. Mgbe Jisọs kpugheere ya Onweya, ọ bụghị náání na o kweere kama o kwusara ma ọ bụ gbaa àmà nke mere na ọtụtụ ndịọzọ ka akpọtara nye Ya. Otú a ka ọ dị kwa n'ụbọchị taa na Onyenweanyị matara ndị ahụ chọrọ Oziọma, na ndị chọrọ Ya. Onyenweanyị na ndị nke Ya ga-agba mbọ̀ dị ukwuu ka ewee zọpụta otù mkpụrụobi. N'otù mgbe mmụọ ozi nke Onyenweanyị gwara Filip, Onyemkwusa njègharị ahụ ka ọ gaa na Geza. Ọ gara n'ebe ahụ wee chọta otù nwoke onye Etiopia, onye ná-abụghị onye bekee, onye chọrọ ịmụta ihe banyere Onyenweanyị. Ọ na-agụ Okwu nke Chineke ma ọ ghọtaghị ihe ọ pụtara. Mgbe Filip "ziri ya ozi-ọma Jisus," nwoke ahụ wee kwere ewee zọpụta ya.

Ka Jisọs na ndị soro ya ná-agafe Óké osimiri ahụ, óké ifufe malitere. Egwù tụrụ ndị ahụ na ha ga-emikpu, ma O jiri okwu ndịa baara ifufe ahụ mba: "Di ju kpuchie ọnu-gi," óké ndajụ wee dị. Jisọs nwere ike n'ebe ihe niile ekèrè ekè dị. Ndị ná-eso ụzọ ya ga-ahụ́ kwa óké mgbanwe ahụ mgbe Jisọs kwuru okwu udo ahụ nye obi na ndụ nke otù onye, ifufe nke mmehie ewee kwụsị. Ọ bụ nnọọ otù ihe ahụ mgbe mmadụ kpere ekpere ruo mnwapụta nke nzọpụta dịka mgbe Jisọs mere ka Óké osimiri nke Galili dajụọ.

**Otù Onye nke Nwere Ọtụtụ Mmụọ Ọjọọ**

N'ọnụmmiri ahụ otù onye nke nwere mmụọ ná-adịghị ọcha zutere ha. Mmehie anapụwo ya ihe ọma niile ná ndụ ya, ọbụná ruo na o metụrụ échìchè ya – nke bụ na, ọ pụghị kwa iche échìchè dịka mmadụ efù. Ọ dịghị onye ọ bụla ga-achọ ibi n'etiti ebe a na-eli ozù, ma o biri; ọ dịghị onye ga-elezi anya were nkume ná-adọwasị onweya arụ, ma o mere otú a. Mmehie na-eme ọtụtụ mmadụ ka ha mee otù ihe ahụ n'ụbọchị taa: onye mmehie na-ebi n'etiti ndị nwụrụ anwụ nime mmụọ; ma ọtụtụ mgbe ọ na-eme ihe niile ahụ ga-emerụ ya arụ -- dịka isè sịga na ịñụ mmanya. Mmehie na-eweta iruuju na ahụhụ nke a na-ahụ́ anya na nke ime mmụọ.

**Inyeaka nke Ndị Ná-enweghị Inyeaka**

Ndị enyi nke nwoke a agbalịwo inyere ya aka, n'ihi na ọtụtụ mgbe ka ha jiworo ụdọ igwè na mkpọrọ ụkwụ kee ya agbụ. Eleghịanya ha agbalịwo idebe ya n'ụlọ, na ịgbalị kwa igbochi ya imerụ onweya arụ. Mmụọ ọjọọ niile ahụ nke nọ nime ya na-enye ya ike ịnyajipụsị mkpọrọ ahụ niile. N'ezie nke a bụ ihe mere ka ákwá ọ na-ákwá ehihie na abalị, mee ka egwù dị n'obi ha niile, ma Jisọs bụ náání Onye pụrụ ime ya mma ma napụta kwa ya. Anyị maara na ọ dịghị ihe sikarịịrị Jisọs ike, ọbụná mgbe ndị mmadụ ná-apụghị inyere onweha aka ma o bụ ndịọzọ inyere ha aka. "N'ebe madu nọ nka bu ihe anāpugh ime; ma apuru ime ihe nile n'ebe Chineke nọ" (Matiu 19:26).

Ndị enyi nwere ike ịgbalị inyere anyị aka. Ha purụ izi anyị Oziọma na ihe ike Chineke pụrụ imere anyị. ha nwere ike isoro anyị kpee ekpere, ma ọ bụ náání Jisọs purụ ịzọputa anyị ná mmehie niile anyị na ịgwọ ọrịa niile anyị. Mmụọ ọjọọ niile nke dị nime nwoke a rubere isi n'ike nke Onyenweanyị. O kwuru okwu ndịa, "Si nime nwoke a puta, gi mọ nādigh ọcha," ha wee si nime ya pụọ. N'ihi na ha dị ọtụtụ o wee sị na aha ha bụ Legion (ọnụọgụgụ ndịagha ga-eru puku isii). Ha rịọrọ ka ha baa nime ìgwè ezi. Mmụọ ọjọọ ndị ahụ nwere ike, ma n'ebe Jisọs nọ ha ga-eme náání ihe Ọ sịrị ha mee. Ná nkwenye nke Jisọs ha bara nime ìgwè ezi ahụ, ìgwè ezi ahụ wee nuda n'ebe dị mkputa mkpu daba nime osimiri ahụ. N'otù aka ahụ, nwoke ahụ ga-abụworị onye mikpuru na mmiri, ma Jisọs ekweghị ka nke a mee, n'ihi na Ọ maara ọnụahia nke otù mkpurụobi.

Ị̀ purụ ilepụ anya nime mmụọ hụ nwoke a? O mewo ka egwù tụọ ụmụ mmadụ. N'abalị ha purụ ịnụ iti mkpu ya n'ebe ahụ ana eli ozù, ha ewee mata na ọ nọ n'arụ ụfụ nke sitere n'iyikasị onweya arụ. Ha apughị kwa inyere ya aka, ma Jisọs kwuru okwu ahụ o wee daa jụụ dịka onye ọ bụla ọzọ. Agwọrọ ya! Chee èchìchè otú ọ ga-esi nwee ọñụ na otú ọ ga-esiworị kelee Onyenweanyị n'ihi ihe ahụ nke O mere!

Ike nke ekwensu di ukwuu, ma ike Jisọs kariri ya ukwuu. Ọ na-arapụ ekwensu ka ọ garuo ebe dị anya ma ọ pụghị ịgabiga ókè. “Ihe eji me ka Ọkpara Chineke puta ìhè bu nka, ka O we la ọlu nile nke ekwensu n’iyi” (1 Jọn 3:8). Lee Job. Mgbe ekwensu bibiri ihe niile o nwere, tinyere ụmụ ya, Job ekwujọghị Chineke dịka ekwensu sịrị na ọ ga-eme. Emesịa Job hurụ ahụhụ site n’ihe ofifi ọjọọ, ma o jigidere okwukwe ya, ọ tamughị kwa ntamu megide Chineke. Ekwensu purụ ibitụ náánị ihe nke o nwere na ndụ̀ ya bú nke Chineke sịrị ka o bitụ aka -- ọ dịghị kwa ihe ọzọ. Karịa nke a, Onyenweanyị nyeghachiri Job okpukpu abụọ karịa ka o nwere na mbụ (Job 42:10).

**Arị rị ọ Ka Ọ Pụọ**

Mgbe ndị obodo ahụ nụrụ ihe nke mere ha bịakutere Jisọs. Mmadụ ga-echeworị na ndị Gerasa ga-enwe obiụtọ ịhụ nwoke a na-adịghị ebi n’ụlọ ka ọ matara onweya, yiri uwe, ma nwee kwa ezi uche ya. Kama ha chee èchìchè banyere àkụ̀ ha tụfuru -- ìgwè ezi ahụ -- na-akpọghị nwoke ahụ ihe. Ụfọdụ mmadụ adịghị eme ngwa ngwa inye Chineke ekele n’ihi ọlụ ebube niile nke Ọ na-alụrụ ha na nke Ọ na-alụkwara ndịọzọ. Anyị agaghị abụ ndị na echegbubiga onweanyị okè n’ebe ihe nke ụwa a dị. Baịbụl sịrị, “Unu akpadola àkù n’uwa nye onwe-unu, ebe nla na nchala nērichapu, ebe ndi-ori nēgwupu kwa nēzu kwa ori: kama kpadonu àkù n’elu-igwe nye onwe-unu, ebe nla ma-ọbu nchala nādigh-erichapu, ebe ndi-ori nādigh egwupú kwa, ha adigh-ezu kwa ori: n’ihi na ebe àkù-gi di, n’ebe ahu ka obi-gi gādi kwa” (Matiu 6:19-21).

Lee otú o si dị nwuta ịgụta na ha sịrị ya pụọ! Jisọs adịghị anọgide ma ọ bụghị ma achọrọ ka Ọ nọgide. Mgbe Ọ na-apụ, nwoke ahụ onye emeworo ka arụ ya dị ike rịọrọ ka o soro Ya. N’okwu ọnụ nke Jisọs ọ nọdụrụ ịgwa ndị enyi ya banyere ọlụ ukwu ahụ nke Onyenweanyị lụụrụ ya. Na-agbaghị agụgọ, dịka ọ na-agba àmà o chetaara ha ndụ̀ o biri na mbụ: otú mmụọ ọjọọ niile ahụ nwere ike n’arụ ya nke mere na ndị mmadụ tụrụ egwù, a na-emekpa kwa ya arụ. Ọ dịghị kwa onye pụrụ inyere ya aka. ma n’otù ụbọchị o zutere Onyenzọpụta ahụ, ihe niile wee gbanwee. Nke a bụ ihe mere o ji ju ndị mmadụ anya! Ọ dịghị kwa ihe ọzọ ha pụrụ ime ma ọbụghị ikwere, n’ihi na ọ dịghị onye ọzọ pụrụ iwepụ mmehie niile na iruuju site na ndụ ya ma ọbụghị Jisọs.

A na-atụ̀ kwa anya, na anyị onweanyị ga na agba àmà wee na-agwa ndịọzọ na Chineke azọpụtawo ma gwọọ kwa ọrịa anyị, ka O wee nara nsọpurụ na otuto. Ọ dị onye gwara gị banyere Jisọs. Ị̀ gwawo onye ọzọ?

Lee otú obi nwoke ahụ ga ejupụtaworị n’ọñụ ma asị na ya na Jisọs nọdụrụ! Ma ọ matara na ezi ọñụ na-abịa site n’irube isi.

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Kọwaa n’okwu nke gị ihe ọ pụtara bụ́ “nwoke nke nwere mọ nādigh ọcha.”
2. Gịnị mere o ji biri n’ebe a na-eli ozù?
3. Gịnị mere eji kpọọ mmụọ ọjọọ niile ahụ “Legion”?
4. Òlee otú esi gwọọ nwoke ahụ?
5. Gịnị mere ìgwè ezi ahụ?
6. Gịnị meere Jisọs ji pụọ?
7. Gịnị mere nwoke ahụ ji nọdụ kama isoro Jisọs?